lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Devid Onye-eze ahụ (Nkebi nke abụọ)

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Devid bụ eze Juda, n’ebe
ndịda Izrel. Ma ndi Izrel
fọdụrụ were Ish-boshet,
bụ nwa Sọl, ka ọ bụrụ
eze ha. Agha obodo
dara afọ asaa.
Ma Devid nọ
na-adịwanye
ike.



N'ikpeazụ, ndị-agha ya abụọ gburu Eze Ish-boshet.



Ebo niile nke Izrel wee bịakute Devid, tee ya mmanụ ịbụ eze Izrel.  N’ikpeazụ, Devid bụrụ eze mba ahụ dum.



Ihe mbụ Eze Devid mere bụ ijide Jerusalem. A kpọkwara ya Obodo Devid. O wughachiri ya ka ọ bụrụ ebe e wusiri ike megide ndị-iro. Ndị-agha Devid niile si na Jeruselem pụọ imeri ndị Filistia na ndị-iro Izrel ndị ọzọ niile.





Ọzọ, Eze Devid bubatara igbe Chineke na Jerusalem.  Igbe Chineke nwere iwu iri na iwu ndị ọzọ Chineke nyere Mosis.  Igbe ahụ chetaara ụmụ Izrel ịdị nsọ Chineke na mkpa ọ dị na ha kwesịrị irubere ya isi.





Devid lụrụ ọtụtụ agha n’oge mmalite nke ọchịchị ya.  Ọ bụ onye-agha maara ihe na nwoke dị umeala n’obi na-ekpekwa ekpere ka Chineke duzie ya n’ụzọ ya niile.

O wee wute Devid na o nwere ụlọ mara mma ibiri n’ime ya ebe igbe Chineke na-anọgide n'ulo-ikwuu. Devid wee kpebie iwu ụlọ-ukwu Chineke. Netan, bụ onye amụma Chineke, gwara ya ka ọ gaa n’ihu.





N'abalị ahụ, Chineke zigaara Devid ozi, sị, "Ohu m Devid, Jehova ga-ewuru gị ụlọ, mgbe ụbọchị gị zuru, gị na nna nna gị hà wee zukọọ ike, m ga-eme ka nwa gị bụrụ eze mgbe ị nwụsịrị. O ga-ewu ụlọ n'aha m, m ga-emekwa ka oche-eze nke ala-eze ya guzosie ike ruo mgbe ebighị ebi."

Devid chọrọ inyere onye ọbụla dị ndụ n’ezinụlọ Sọl aka. Ọ hụrụ naanị nwa Jọnatan, bụ́ Mefiboshet, bụ́ onye ngwọrọ. “Ọ ga-eri ihe na tebụl m dị ka otu n’ime ụmụ eze,” ka Devid kwuru. Devid mekwara Mefiboshet ebere n’ihi na Jọnatan bụ ezigbo enyi ya.



Ebe ọ bụ na Devid tụkwasịrị Chineke obi wee rubere ya isi, Chineke nyeere Devid aka ime nke ọma. Ma otu ụbọchị, ezigbo onyinyo dakwasịrị ná ndụ Devid. O zipụrụ ndị-agha ya ibu agha, ma ọ nọ na Jeruselem. Otu abalị, ọ nweghị ike ihi ụra. O wee jee ije n'elu ụlọ ya, ledata anya n'obodo ahụ.



Devid hụrụ otu nwaanyị mara mma ka ọ na-asa ahụ.  Aha ya bụ Batsheba.  Devid so Batsheba mehie n’agbanyeghị na di ya, bṹ Uraịa, bụ otu n’ime ndị-agha Devid nwere obi ike.  Mgbe Batsheba mesịrị gwa Devid na ya gaje ịmụ nwa ya, Devid maara na mmehie ya na-ewetakwu nsogbu.







Kama ikwupụtara ya Chineke, Devid gbalịrị ikpuchi mmehie ya. Nke ahụ anaghị arụ ọrụ! O si n'ọgbọ agha kpọrọ Uraịa laa, na-atụ anya na Uraịa ga-eche na nwa ọhụrụ ahụ na-abịa bụ nke ya. Ma Uraịa ekwetaghị ibi n'ụlọ mgbe ndị-agha ibe ya nọ na-alụ agha. Uraịa wee dina n'ọnụ-ụzọ ụlọ eze.

Ya mere, Devid mere ihe jọrọ njọ nke ukwuu.  O wee were akwụkwọ-ozi ziga Uraịa n'ọgbọ agha. Akwụkwọ ozi ahụ gwara ọchịagha ka ọ hụ na Uraịa nwụrụ n’agha.  Mgbe e gburu Uraịa, Devid kpọọrọ Batsheba ka ọ bụrụ nwunye ya.





Chineke zitere nwa odibo ya bụ Netan ka o gosi Devid mmehie ya. Netan kọọrọ Devid akụkọ banyere otu ọgaranya na otu nwoke dara ogbenye. Ọgaranya ahụ nwere ọtụtụ narị atụrụ. Ma ogbenye ahụ nwere naanị otu nwa atụrụ, nke o ji mere nwa nwaanyị.

Mgbe onye-njem bịakwutere ọgaranya ahụ, ọgaranya ahụ egbughị otu n’ime atụrụ ndị nke ya were siere ya nri.  Kama, o weere atụrụ ogbenye ahụ gbuo.





Devid were iwe maka ịchọ ọdịmma onwe nke onye ọgaranya ahụ meworo.  O wee tie mkpu sị, “Nwoke ahụ nke mere ihe a, aghaghị ịnwụ.”

“Ị bụ nwoke ahụ!”  Netan nwere obi ike gwara Devid otu a.  Ihe Devid mere dị njọ karịa ihe ọgaranya ahụ mere n’akụkọ ahụ.



Chineke gosiri Devid otú o si bụrụ ajọ mmadụ. Devid wee nwee mwute n'ihi mmehie ya. Ọ gwara Chineke sị, “Emehiewo m megide gị, meekwa ihe ọjọọ a.” Chineke wee gbaghara mmehie Devid. Ma nwa nwoke Batsheba ahụ nọ n’ọrịa nke ukwu, o wee nwụọ ngwa ngwa mgbe amụsịrị ya.





Chineke gbaghaara Devid maka mmehie ya dị egwu. Batsheba wee mụọ nwa ọzọ, bụ́ Solomọn, onye gaje ịghọ eze-ukwu mgbe Devid nwụsịrị. Ma Eze Devid nwere ọtụtụ ụmụntakịrị ndị ọzọ, ndị ụfọdụ n’ime ha wetaara ya mwute dị ukwuu.

Devid Onye-eze ahụ (Nkebi nke abụọ)

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

2 Samuel Isi nke mbụ rue na nke iri na abụọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.